# A LỤZIE E BIZIE: ỤKPỤRỤ OMENALA IGBO, Ọ KACHA MMA MAKA ALỤMALỤ GA-ANỌMI ANỌMI

**Nke si n'aka**

**Benedict N. Igbokwe (Ph.D)**
**Directorate of General Studies,**
**Federal University of Technology, Owerri, Nigeria**
**uwa91969@gmail.com**

**Olekaibe, Chinenye C. (Ph D)**
**Directorate of General Studies,**
**Federal University of Technology, Owerri.**
**olekibechinenye@gmail.com**

**Chinonso Faith Obumneke**
**Directorate of General Studies,**
**Federal University of Technology, Owerri.**
**faithobumneke@gmail.com**

**Osuji, Mercy A.C**
**Directorate of General Studies,**
**Federal University of Technology, Owerri.**
**mercyabuoma@gmail.com**

**Ụmịedemede**
*Chukwu hiwere alụmalụ na ezinụlọ dịka ewumewu ga-echekwa ọnọdọ mmadụ n'ụwa. Ndị Igbo, ndị hụtarala aka Chukwu na nhiwe alụmalụ, weere amamiihe ha tụpụta ụkpụrụ dị iche iche nke ọ ga-abụ ndị gbasooro ụkpụrụ a ga-anọmi anọmi n'alụmalụ ha. Ọ bụ ihe ịtụnanya na ndị ọ pụrụ n'ụzọ gburu mkpara na-eleghara ụkpụrụ a ndị ọkpụ hiwere anya nke kpatara e jizi anụ akụkọ ndị ahụ na-ata ntị n'ezinụlọ ndị Igbo. Nchọcha a, nke gbasoro usoro sọvee gbakwasịrị ụkwụ n'atụtụ nchọcha Social constructivism wee na-ekwu ya n'eze a wara awa ma ọ bụrụ na ndị niile na-abanye n'alụmalụ ga-agbaso ụkpụrụ a ndị Igbo hiwere n'ezi amamiihe ha, akwamaka ndị a a na-ahụta n'alụmalụ ga-ebelata. Nchọcha a bu maka ọdịmma ezinụlọ, ọha ndị Igbo niile nakwa ndị na-eme nchọcha. O nyekwara ntụziaka maka ndị na-akwado alụmalụ n'ọdịniihu.*

**Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ:** Alụmalụ, ụkpụrụ, ezinụlọ, ewumewu ndịọkpụ

**Abstract**
*God instituted marriage and family as an institution to guide human life on earth. The Igbo, having seen the hand of God in the institution of marriage, in their wisdom, arranged a template of processes and stages, which if followed judiciously will yield the fruit of lasting marriage. It is surprising that some easy way seekers ignore these processes instituted by he Igbo forebears hence the resultant sad stories about the Igbo families of today. This research which followed a survey approach and draws authority from social constructivism theory, states in clear terms that if the age long procedures in marriage are followed judiciously, there will be remarkable reduction of the challenges presently experienced in marriages. This research will benefit the family, the Igbo society as well as researchers. It also made recommendations for future marriage unions.*
***Keywords:*** *Marriage, procedure, family, institution, forebears.*

**Ndubata**

Alụmalụ na ewumewu banyere ezinụlọ bụ ntọala Chukwu jiri aka ya hiwe maka ọdịmma mmadụ. Ọ bụladị mgbe Chukwu kechara ụwa na ihe niile dị n'ime ya, o leghariri anya n'ihe niile ndị o kere, wee hụ na ha dị mma, mana o gosipụtara enwechaghị afọ ojuju n'otu ụzọ ihe nke bụ na nwoke ekwesịghị ibi naanị "ya". N'ezi uche ya, nakwa iji hiwe njikọaka n'alụmalụ ga-adigide adigide, Chukwu weere mkpịsị ọkpụkpụ sitere n'ahụ Adam wee kepụtara ya nwunye. *Genesis (2 vs 18-24)*.

> Jehova bụ Chineke wee sị, ọ dịghị mma ka mmadụ ahụ nọrọ naanị ya. M ga-emere ya onye inye aka kwesịrị ya.... Jehova bụ Chineke wee mee ka oke ụra dakwasị mmadụ ahụ, o wee rahụ ụra o wee wepụta otu n'ime agịrịga ya; mechie anụ ahụ n'ọnọdụ ya. Agịrịga ahụ bụ nke o wepụtara n'ahụ mmadụ ahụ. Jehova bụ Chineke wee wuo ya dịka ụlọ ka ọ ghọọ nwanyị, o mee ka ọ bịakwute mmadụ ahụ. Mmadụ ahụ wee si, Ehee! Nke a bụ nnọọ ọkpụkpụ si n'ọkpụkpụ m pụta na anụ ahụ si n'anụ ahụ m pụta nke a ga-akpọ nwanyị n'ihi na e wepụtara ya n'ahụ nwoke. N'ihi nke a ka nwoke ga-ahapụ nna na nne ya, rapara n'ahụ nwunye ya, ha ewee bụrụ otu anụ ahụ.

Mbunuche Chukwu bụ ka njikọ a bụrụ nke ga-eweta ọṅụ na ezi mmekọrịta, digidekwa otu ahụ rute ọgbọ nke dị ugbua nakwa ndị nke ga-abịa n'ihu. Ọ bụ ya mere omenala Igbo jiri hazie alụmalụ di na nwunye ka ọ bụrụ njikọ nke dị n'etiti nwoke na nwanyị hụrụ onwe ha n'anya nke ga-eme ka ụmụ ndị ha mụtara bụrụ ndị ziri ezi n'anya ọha na eze, ma bụrụkwa ihe onwunwe ha jikọrọ aka wee nwee.

N'okwu Osuji (2009:8)

> Alụmdi na nwunye bụ ntọala ezinụlọ ọ bụla ebe ọ bụ na ndị Igbo na-eso usoro ezinụlọ mgbasapụ nke hiwere isi na njikọta ọtụtụ ezinụlọ, ọ dịzi mkpa na a ga-ewere alụmalụ di na nwunye n'ala Igbo nakwa n'etiti ndị Igbo dịka otu n'ime ihe ji omenala na ọdịnala ndị Igbo.

Alụmdi na nwunye bụ otu n'ime ewumewu ndị Igbo na-akwalite obibi ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụghị naanị na ọ na-eme ka ndụ tọọ ụtọ kama ọ na-emekwa ka ndụ dị n'obodo. N'okwu Uzochukwu na Ewelukwa (2012:404) "Alụmdi na nwunye bụ mbịakọta ọnụ dị n'etiti otu nwoke na otu nwanyị n'ụzọ omenala. Ha gara n'ihu kewasịa alụmdi na nwunye n'ụzọ ndị a; alụmalụ n'etiti otu nwoke na ọtụtụ ụmụnwanyị nakwa alụmalụ n'etiti otu nwanyị na ibe ya".

Ubesie (1978:44) kọwara ịlụ nwanyị dịka "otu n'ime omenala ndị kacha mkpa n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ma chọkwaa ka a kpachapụrụ ya ezi anya maka na Igbo kwenyere na "onye mejọọ ọgọ, ya alọjọọ ụwa'. Osuagwu (1979:43) nyere nkwado, wee sị na "alụmdi na nwunye bụ ọdịnala ndị Igbo nke dị adị kamgbe gboo gboo". O wee na-egosipụta ya dịka ihe dị nnukwute mkpa. N'ala Igbo, nwoke ọ bụla nke toruru ịlụ nwanyị ma ọ lụghị, a na-eleda ya anya site n'ụzọ dị iche iche. A naghi eji okwu ya eme ihe ma n'ezinụlọ o si pụta ma n'ọgbakọ ụmụnna. A na-ahụta ya dịka onye efulefu na ụtambelembe. Ọtụtụ ihe ka ndị mmadụ na-eche n'ime obi ha ma na-akọkwa asịrị banyere onye dị otu a. Ụfọdụ na-eche ma nwoke dị otu a o jikwa ahụ n'ihe o jiri bụrụ nwoke, ụfọdụ ga na-ekwu na nwanyị mmụọ ji ya aka, ụfọdụ ga na-ekwu na ndị iko ya nwanyị ekweghị ka ọ gaa lụọ nwanyị, ka ha nwee ike na-anasịsị ya ego ndị ọ kpatara, dgz.

Otu a ka ọ dịkwa n'ebe ndị nwanyị dị, nwanyị ọ bụla toruru ịlụ di ma ọ lụghị, ọ na-abụ ya kwuo okwu n'ezinụlọ a mụrụ ya, ha na-asị ya, ọ bụ n'ulọ di gị ka ị kwesịrị ịga tụọ ụka, ọ bụghị n'ebe a". A na-enye ya mkparị dị iche, wee na-echetara ya na, "nwanyị gafee n'onye mụrụ: a jụwazie, onye lụrụ?" Ụfọdụ ndị asịrị ga na-ekwu na o nwere di ụwa nke jisiri ya aka ike, ka ọ hapụ ịlụ di, ụfọdụ sị ọtụtụ ụmụokorobịa ha na ya na-ayị ọyị ekwebeghị ya họrọ di ọ ga-alụ, ụfọdụ akpọọ ya ọgbanje, ndị nke ọzọ ekwuo na ọ bụ agwa ọjọọ ya kpatara ọ dịghị onye chọrọ ịbịa lụọ ya.

Ihe ndị a niile gosịrị na ndị Igbo kwenyere na "ụkwa ruo oge ya ọ daa" nke ọzọ, "nwa a mụrụ amụ ga-amụtarịịrị ibe ya", ya mere alụmdi na nwunye na ewumewu ezinụlọ jiri dị nnukwu mkpa n'omenala na ndụ ndị Igbo.

Osuagwu (1979:37) kọwapụtara ụfọdụ ihe ndị kpatara ndị Igbo ji alụ nwanyị,

> Ndị Igbo nwere ọtụtụ ihe ha na-ebu n'obi tupu ha alụọ nwanyị. Nke mbụ bụ ka ha wee mụta nwa. Nke ọzọ bụ na ndị Igbo bụ ndị na-arụ ọrụ dị iche iche, nke ka nke ọrụ ubi. N'ihi nke a ha na-achọ ka ha nwee ndị ga-enyere ha aka ọrụ n'ọrụ ha. Ndị Igbo na-alụkwa nwanyị n'ihi na ọ bụ otu n'ime ihe e ji amara onye bụ ọgaranya maka na ndị Igbo na-atụ ilu sị "gidigidi bụ ugwu eze". N'oge ochie, ụlọ ebe a na-edebe ego adịghị dịka ọ dị taa, n'ihi ya nwoke kpatara ọtụtụ ego na-ewere ha lụọ ọtụtụ nwanyị.

Ihe okwu ndị a pụtara bụ na e nwere mbunuche ndị Igbo nwere, bụkwa nke a tụrụ anya na nwoke ọ bụla ga-enwe tupu o nwee mkpebi ịga lụọ nwanyị. Nke pụtara na alụmdi na nwunye abụghị "ka m lụọ n'ihi na ibe m alụọla".

Ọ dịkwa mkpa ka a rụtụ aka n'ebe a na mgbe gboo ndị Igbo nwere usoro alụmdi na nwata nwekwaa n'okenye mana nke bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'oge a bụ alụmdi n'okenye.

Ubesie, (1978:45) wee kwado

> N'ọtụtụ obodo dị n'ala Igbo n'oge gboo, a mụọ nwata nwanyị n'ezinụlọ a na-akpọzi aha n'obodo ma ọ bụ ezinulo ha na ibe ha dị na mma, ha ejee mee omenala nke ga-egosi na aka ha ejidela nwata ahụ, nke isi ya bụ na ọ bụ ndị bịara mee omenala ahụ ga-alụ nwata ahụ ma o too.

Ọ bụrụ na okwu dịrị ka e si kwuo ya, mgbe ụmụaka ahụ tolitere, a ga-eme omenala ndị e tosịrị ime tupu ha amalite biwe dịka di na nwunye.

**Atụtụ Nchọcha (*Social Constructivism Theory*)**

Ndị tụpụtara atụtụ nchọcha a bụ ndị na-echemi uche, dịka Lev Vygotsky, Peter L. Berger na Thomas Luckmann. Atụtụ a na-ekwusi ya ike na mwulite nke ọnọdụ mmadụ dabeere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ na-akọwa na mmụta, ejirimara na ihe ndị a na-ahụ anya mere eme nwetara usoro nhazi ha site na mmekọrịta nke ọha mmadụ nakwa ihe ndị banyere omenala, karịa ịbụ eziọkwu kwụ ọtọ.

Ọkpụrụkpụ isiokwu nke atụtụ nchọcha a gụnyere:

i. **Mmụta dabeere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya:** Ihe ndị anyị maara ma ọ bụ kwere na ha abụghị eburupụta ụwa kama ọ bụ ihe ndị a haziri ma kwekọrịtakwa na ha n'okpuru otu ọha dị iche iche nakwa n'usoro omenala.
ii. **Uru dị na mmekọrịta:** A na-enweta mmụta bara uru site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, mkparịtaụka nakwa njikọaka n'ọrụ nke mmadụ na ibe ya.
iii. **Ọrụ omenala na ọnọdụ ihe mere:** Ebe onye na-amụ ihe siri malite ndụ omenala nakwa ihe ndị ọ gabigarala na ndụ na-aka emetụta nghọta o nwere banyere ụwa.
iv. **Itinye uchu n'ọmụmụ ihe:** Ndị na-amụ ihe bụ ndị putara ihe n'itinye aka wulite amamiihe nke onwe ha.
v. **Ndị nkụzi dịka ndị na-akwalite ọrụ:** Ndị nkụzi na-atụziri ndị na-amụ ihe aka ma na-akwadokwa ha n'itinye ihe ndị ha mụtara n'ọrụ iji wulite amamihe nke ha.

Atụtụ nchọcha a na-atụ aro na ihe ọ bụla mere eme a hụrụ anya sitere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa omenala ndị.

**Ụzọ Ndị Atụtụ Nchọcha a Siri Metụta Alụmalụ n'Omenala Igbo**

i. Ụzọ o siri metụta omenala: Alụmdi na nwunye n'omenala Igbo bụ ewumewu dị oke mkpa nke na-eme isi ikwu nke ezinụlọ gbasie ike, chekwaa ọdịnala, ma hụkwa na usoro ndị a na-adịgide adịgide.
ii. Ọrụ ndị ọha mmadụ hiwere: Ọ bụ usoro omenala, ihe obodo jiri kpọrọ ihe na ọdịnala ezinụlọ ka e jiri hazie ọrụ alụmdi na nwunye na-arụ nakwa ihe ndị a na-atụ anya na ya.

iii. Obodo isonye n'ihe a na-eme: Alụmdi na nwunye na-abụkarị emume ọha obodo, nke ezinụlo na obodo na-arụ ọrụ pụtara ihe na mbịakọta na njikọ ha. Ihe nke a pụtara bụ na alụmdi na nwunye na-akwalite ejirimara omenala na ihe ndị jikọtara obodo. A tụrụ anya na ndị mmadụ ga-agbaso ụkpụrụ na usoro ọdịnala e hiwere maka alụmdi na nwunye, nakwa ọrụ ha.

Otuosiladị, atụtụ a rụtụkwara aka na ihe ọhụrụ, mmepe anya na ọnọdụ ozuru-ụwa na a hụzuo-ụwa nwere ike bute mgbanwe n'usoro alụmdi na nwunye dịka ọdịnala siri hazie ya.

Atụtụ *Social Constructivism* na-egosipụta ọnọdụ ma ọ bụ isiokwu ndị a na-ekwu maka ha n'okpuru alụmalụ ndị Igbo, nke gụnyere ọrụ dịịrị ndị nwoke na ndị nwanyị nakwa ihe ndị obodo na-atụ ha anya n'aka.

Usoro alụmalụ ndị Igbo nwere nhazi pụrụ iche. Ndịnisiokwu ndị na-esote ugbu a ga-akọwa usoro dị iche iche ndị Igbo haziri iji mee ka alụmalụ ha kwụrụ chịm.

## Ntozuoke

Ntozuoke bụ ihe a na-elekwasị anya tupu a malite okwu banyere alụmalụ ma n'ebe nke nwoke nọ ma n'ebe nke nwanyị nọkwa. N'ebe a, a na-atụle afọ ole mmadụ gbarala, ụdị akọnuche o nwere, mmadụ ịrụ ọrụ ndị ruuru ya nakwa mmadụ inwe ike lekọtanwuo ezinụlọ ya. Ihe ndị ọzọ na-egosikwa ntozuoke n'ebe nwoke nọ n'ala Igbo gụnyere mgbe nwoke malitere ịtụ ụtụ ndị e kere n'obodo, nwee ike ịkọpụta ji n'ugbo ma na-egbutekwa nkwụ. Onye dị otu a ga-enwe ike lekọta ezinụlọ nna ya mgbe nna ya gara njem, ma hụkwa na ụmụ anụmanụ ndị ha nwere nọ nke ọma. A ga na-elenyekwara onye dị otu a anya n'omume ya n'oge ọ bula ụmụnna ya nwere nzụko. (Osuagwu, 1979:39).

Na mpaghara ala Igbo ndị na-eme emume ịwa akwa nwoke ọ bụla na-akwado ịlụ nwanyị ga-abụrịịrị onye warala akwa.

Na nkọwa Ajaeree, (2002:34)

> Ịwa akwa bụ emume ụmụọkorobịa n'ọtụtụ ebe n'ala Igbo. Nke a na-akpọbata ha na ntozuoke dịka nwoke. Ọ ga-eduba ha n'iketa oke, ịtụ ụtụ ala, ịga ọrụ obodo na ịga agha, n'oge ibu agha... a na-eme ya n'ebiri n'ebiri. Ebiri wara akwa nwere ike ịlụ nwanyị, rụọ ụlọ, rụwa ọrụ nke ya ma mụwa ụmụ ya. Ha ga-eso otu ebiri ha na-eketa oke.

N'ebe ndị nke nwanyị nọ, e nwere ụdị omume ndị a tụrụ anya ha ga na-eme iji gosi na ha etoruola ịga n'ụlọ di. Omume ndị a gunyere, ekele na nsọpụrụ, nrube isi, umeala, ịga ozi, ndị dị n'ụlọ, dịka isi erimeri dị iche iche nakwa ịdị ọcha. Nwagbọghọ na-akwado ịlụ di ga-abụrịịrị onye anya ruru ala onye nwere ike ilekọtanwu ụmụnne ya mgbe nne ya n'anọghị n'ụlọ. Dịkwa ka ịwa akwa, iru mgbede bụ emume e ji egosi ntozuoke nwanyị n'ịlụ di n'oge gboo.

Dịka Ubesie (1978:29) siri kọwaa

> Nke a bụ omenala ọtụtụ obodo n'ala Igbo na-eme tupu nwanyị ejee be di ya biri. Mgbe nwaagbọghọ toruru ịga na be di ya, a na-emere ya omenala a; ka e wee gosi na o ruola ogo ibi n'ụlọ nwoke, ka a kwanyere ya ugwu dị ka onye a zụrụ azụ n'ezinụlọ kwesịrị ekwesị ka e wee zụọ ya nke ọma maka ibi ndụ ezinụlọ nke ga-enyere ya aka ibi n'ụlọ di ya. Mgbe e ji emere nwata nwanyị ụdị emume a bụ site na mgbe ọ gbara afọ iri na ise.

Ihe na-akacha ehi ọdụ n'emume iru mgbede bụ nkụzi a na-akụziri ndị na-eru mgbede banyere ụzọ nwanyị si ebi na di. Ogo nke a ka a na-akpo ntozuoke. Ọ bụrụ na nwoke a gafee ogo nke a, ihe ga-esote ya bụ ịchọ nwanyị.

## Ịchọ Nwanyị

N'ala Igbo, alụmalụ nwanyị abụghi ije otu onye. N'otu aka ahụkwa, ịchọta nwanyị abụghị ihe dịịrị otu onye. Ọ bụ eziokwu na nwoke nwere ike ịchọtara onwe ya nwanyị mana n'ọtụtụ oge, nne na nna, ụmụnna, ikwu nne na ikwu nna, ndị enyi ụmụada, dgz n'oge ndị ugbu a, ndị isi ụka na-

ahụtara nwoke nwanyị o nwere ike ịlụ. N'oge ụfọdụ, nwoke na-achọ nwanyi na-eji aka ya gwa ikwu na ibe ka ha na-elenyere ya anya, maka nwanyị ọ ga-alụ. N'okwu Osuagwu, (1979:39)

> Mgbe nwa okorobịa chọrọ ịlu nwanyị, ọ na-eburu ụzọ were ezigbo mkpụrụ ọjị ahụ dị mma jekwuru nna ya ma ọ bụrụ na nna ya dị ndụ. Ọ ga-akọrọ nna ya ma ọ bụ onye na-anọchite anya nna ya ihe o bu n'obi ya bụ na ya chọrọ onye ga-enyere ya aka n'ọrụ ugbo. Nna ya ga-ajụ ya ọtụtụ ajụjụ iji mara ma ihe ọ na-ekwu o sikwa ya n'obi…. Mgbe nne na nna kwekọrịtara, ha ga-amata ma o nwere onye nwa ha bu n'obi, ọ bụrụ na o nweghi, ma ọ bụ onye nwa ha bu n'obi abụghị uche ha, ha niile ga-aba ọhịa ajụjụ iji mata nwata nwanyị si n'ezinụlọ kwesịrị ekwesị wee pụta.

N'omenala Igbo, ihe o ji dị mkpa nne na nna ikwu na ibe dgz isonye n'ịchọtara nwoke nwanyị gụnyere nke mbụ, ọkụ nna gụnyere nwa agaghị eregbu ya, nwata nna ya dunyere ohi, na-eji ụkwụ agbawa ụzọ, ahịa e zuru ezu leere mmadụ, anaghị aghọ ya ahịa nke ọzọ a bụrụ na ihe okenye nọdụ ala hụ, nwata kwụ ọtọ anaghị ahụ ya.

Ajaeree, (2002:182) wee kwado

> ... oge nwoke ahụ nwere afọ ojuju na ọ ga-enwe ike lekọta nwanyị, ha ga-agwa ikwu na ibe ha ka ha chọtara ya otu nwagbọghọ nwere ezigbo agwa dịkwa mma ile anya. Ha na-ekwukwa okwu banyere ụdị ezinụlọ na akụkụ obodo ha chọrọ. Mgbe ha hụrụ nwagbọghọ, njụ wee malite.

Site n'okwu ndị a a rụtụrụ aka, o doola anya na dịka ụkpụrụ omenala Igbo siri dị alụmdi na nwunye dịka nshịkọ, nke a pụghị iri na nzuzo. Mgbe a chọtara nwagbọghọ a chọrọ ịlụ, ihe ga-esotazi bụ ipio ọhịa ajụjụ.

**Ọhịa Ajụjụ**

N'ala Igbo, mgbe nwoke chọtara nwagbọghọ ọ na-achọ ịlụ, ihe ọzọ ga-esochi ya bụ ịjụ ase. Ọ dị mkpa ka a rụtụ aka na a bịa n'ụkpụrụ ndị Igbo tụpụtara maka alụrụma nwanyị nke kacha dị mkpa maka alụmalụ ga-adigide adigide bụ ịjụ ase. Ịjụ ase ga-adịgide malite mgbe a hụtara nwanyị wee ruo ọ bụladị n'ụbọchị ahụ a na-akwụ ụgwọ isi nwanyị. Ọhịa ajụjụ a na-epio bụ aka abụọ, n'isi nke nwanyị nakwa n'isi nke nwoke.

A na-agbasapụ aka mgbe a na-ajụ ase, wee na-eleba anya n'ajụjụ ndị gụnyere:

- Nwagbọghọ ahụ ma ọ bụ nne ya, ha na-alụ ọgụ n'ahịa?
- Nne na nna ha, ha anwụọla ka ha ka dị ndụ, ọ bụrụ na ha anwụọla, ha kara nka ka ọ bụ mgbabiri ọnwụ?
- Ezinụlọ ndị a ha na-akọ asịrị?
- E nwere mmụọ ọjọọ ndị na-akpata ụrị n'ezinụlọ ndị a ka o nwere ọgbụgba ndụ ọjọọ ha nwere?
- Nne na nna ha ọ gbasiri ike ka ha bụ ndị umengwu – weta ka e rie?
- Ezinụlọ ndị a ha na-ezu ohi?
- Ha na-agba n'ezi?
- Ha nwere akụkọ banyere ịkwụ ụdọ ma ọ bụ iji aka ha egbu onwe ha?

Ihe ndị a nakwa ndị ọzọ ka a na-achọ ịmatacha mgbe a na-epio ọhịa ajụjụ mana e nwechaziri ọnọdụ ihe ndị a pụrụ ịmata naanị mgbe nwoke na nwanyị garuru onwe ha nso ma leruokwa onwe ha anya n'ahụ. Nke a na-abụkarị mgbe a malitere ịga ije mmata ụlọ di, ije abalị anọ, nke izu ukwu, dgz. Mgbe nwoke na nwanyị ga-anọ n'otu ụlọ ruo chi ọbụbọ maka na abalị dị egwu. Osuji, (2009:11)

> Iji nweta akụkọ bụ eziokwu banyere onye a na-achọ ịlụ, a ga-edupụ ndị ga-achụ nta akụkọ ka ha gagharịa n'obodo, tụọ anya na ntị n'ala iji jụta ma chọpụtakwa nwagbọghọ ahụ. Mgbe ụfọdụ, a ga na-agba ya ǹké. Mgbe a chịkọtachara ihe ndị a nụrụ na ihe ndị a hụrụ banyere onye a na-achọ, a ga-anọkọzi na nzukọ ezinụlọ wee leba ha anya otu o kwesịrị. N'ebe ahụ ka a ga-anọ mee mkpebi. Ọ bụrụ na ha

> nabatara ya, a malitezie mmere mmere ọdịnala, mana ọ bụrụ na ha anabataghị ya, a kwụsị ịkpa okwu banyere ya.

Dịka o doro anya na ọkwa mba na-achị n'olu n'olu, obodo ọ bụla nakwa ezinụlọ ọ bụla nwere usoro ndị ha na-agbaso n'ipio ọhịa ajụjụ nke ha, iji nweta ihe ha na-achọ.

Nchọcha a na-eme ka ọ daa ụda, na ọhịa ajụjụ a na-epio gbara ngalaba abụọ – n'ebe nke nwanyị nọ nakwa n'ebe nke nwoke nọ.

Igbokwe (2020:129) wee kwado

> Nchọpụta a na-eme tupu a malitekwa alụmalụ di na nwunye na-emetụtakwa nke nwoke. Ndị ezinụlọ nke nwanyị ga-achọkwa ịmata banyere ezinụlọ nke nwoke, ka nwa ha hapụ ịbanye n'obi ọkụ mmụọ. Nchọpụta ndị a na-eme gụnyere, ma ọ ga-eletakwa nwunye ya anya nke ọma, ọ gbasiri ike ọrụ?, o nwere ọtụtụ ikwu na ibe, kamacha ndị nwoke? Ha na-anwụ ọnwụ ike? Agbụrụ ha ọ na-arịa ọrịa ọjọọ, tinyekwara ịmata ma nwoke ahụ ọ nọ n'otu nzuzo ndị nke ọjọọ ya.

Nchọpụta kacha ibe ya, nke metụtara nke nwoke na nke nwanyị bụ ịmata ma e nwere ụdọ jikọrọ ha n'otu ọbara. Ihe o jiri dị mkpa ịmata nke a bụ na n'agbanyeghị agwa ọma na ịhụnanya, nwoke na nwanyị bụ otu ọbara ekwesịghị inwe mmekọ di na nwunye n'ala Igbo. Ọ bụ arụ, ihe ọkpọsị nakwa imerụ ụmụne na agwụisi.

Ihe ndị a niile mere ọhịa ajụjụ jiri dị ezigbo mkpa n'ụkpụrụ alụmdi na nwunye n'ala Igbo.

**Aka Ebe/Nwandụzọ**

Onye aka ebe ma ọ bụ nwandụzọ dịka ụfọdụ ndị na-akpọ ya, dị nnukwu mkpa n'usoro alụmdi na nwunye ndị Igbo. Ọrụ ya na-agba aka abụọ, ọ na-arụ n'ebe nwoke na-achọ ịlụ nwanyị nọ na-arụkwa n'ebe nwanyị a na-achọ ịlụ alụ nọ.

Mgbe nwoke chọtara nwanyị ọ na-achọ ịlụ, ọ na-achọta onye aka ebe nke kwesịrị ịbụ onye ọ maara amara na mbụ, onye aka ebe a ga-abụkwa onye maara ezinụlọ ebe a na-achọ ịlụ nwanyị nke ọma. Ọ bụ site n'aka ya ka a ga-esite na-ezirịta ozi ndị dị aṅaa, bụ ndị a chọrọ ịmata nke bụ eziokwu banyere ha.

Onye aka ebe na-arụ ọrụ dịka onye ọga ozi, dịka ọ pụtara ihe n'Ubesie (1978:49):

> Ọ bụrụ na ihe ha chọpụtara enweghi isi, ha ezie onye aka ebe ka o zie ha na okwu adịkwaghị ka e si kwuo ya. N'akuku Ọwa, ha na-ezigara ndị be nwoke ahụ ozi, sị na ha jere n'afa ma na afa sị na di na nwunye agaghi adabara nwa ha na nwoke ahụ na-achọ ịlụ ya.
>
> Ọ bụrụ na afọ juru ha n'ihe ha chọpụtara, ha ezie onye ụkọ ka ọ gwa ha ụbọchị ọzọ ha ga-abịa.

Tupu e mee mmadụ onye aka ebe, ọ ga-abụ onye nwere ugwu na nsọpụrụ nke sitere n'ezi omume na akparamagwa ya n'obodo. Ọ ga-abụ onye na-ekwu eziokwu, nke ga-eme ka ndị mmadụ nwee ntụkwasịobi n'ebe ọ nọ.

Mgbe a na-akwado ịlụ nwanyị, site n'ọnụ onye aka ebe ka a ga-esi jụpụta ma e nweela nwoke buuru ụzọ nyawe mbele ihe n'olu n'isi nwagbọghọ ahụ ma ọ bụkwanụ na e nweghị. N'aka ya ka a ga-esi wega ọjị mbụ na mbụ, ọ bụladị ụbọchị a ga-abịa okwu nwanyị, ọ bụ ya ga-akọwara ndị nwe nke nwanyị banyere ndị ha na ya so bụ ndị bịara ije ọgọ (Osuagwu, 1979:43)

Onye aka ebe nwere ike isite n'obodo nke nwanyị a chọrọ ịlụ alụ ma ọ bụkwanụ obodo dịdebere ya nso, nke gosịrị na ọ ma ezinụlọ a na-ekwu okwu ya nke ọma.

N'omenala Igbo, ọnọdụ onye aka ebe na-adị ka onye ogologo, maka na Igbo na-atụ ilu si, "e kowe ụlo a chọwa onye ogologo". Ọ bụ ya mere onye aka ebe jiri bụrụ omeudo n'ezinụlọ ndị ọ na-agbara aka ebe. Ekpere ya na-abụ ka udo, ọganihu na ịhụnanya na-adị mgbe niile, makana, otu ihe siri mee, ọ bụrụzie na isi akwa a tọpụla n'ebe e kere ya, mgbe nkwekọrịta n'adịghịzikwa, ọ ga-anwa ike ya n'ikpe udo, mana o ruo n'ụdị nke mmekwata n'agaghị adịkwa ọzọ, ọ bụkwa onye aka ebe ka a ga-akpọ, mgbe a ga-eweghachi ego isi nwanyị dịka Ubesie (1978:63) siri kwuo; "Mgbe nna nwata

chọrọ ịkwụghachi di ya ngọ, ọ na-akpọ onye ụkọ zie ya ozi ka ọ bịa were ego ole ọ bụla o mere n'isi nwunye ya".

Okwu ndị a niile na-egosi mkpa onye aka ebe dị n'usoro alụmalụ n'omenala Igbo. Ma ọ dị mma ma ọ dị njọ, a ga-akpọ ya. Ọ bụ ya na-eme ka ihe ndị a chọpụtara mgbe a na-epio ọhịa ajụjụ dokwuo anya. Mgbe ndị na-achọ ịlụ nwanyị mechara nchọpụta ha, tinyekwuoro ama nke onye akaebe gbara, ọ bụrụ na ihe ha hụrụ juru ha afọ, ihe ndị ha na-achọ ịlụ nwa ha hụrụ wee jukwa ha afọ, ha ga-enwezi nkwekọrịta ka a gaa n'ihu n'ikwu okwu ya bụ alụmalụ. Chetakwa na nchọpụta ga na-agakwa n'ihu.

## Nkwekọrịta

Alụmdi na nwunye n'usoro omenala Igbo abụghị ihe mmanye, ọ bụghị ihe e ji ike eme ma ọ bu mkpagbu na ịwa anya nke sitere n'ọnọdụ mmadụ hụtara onwe ya. Nkwekọrịta dị ezigbo mkpa ma n'etiti nwoke na nwanyị na-achọ ịlụ alụ ma n'etiti ezinụlọ abụọ na-akwado ịbụ ọgọ. Ha kwesịrị ịnabata onwe ha n'ezi obi ha. Ọ dabaghi adaba nwokorobịa na nwagbọghọ iche na ebe ọ bụ na ha hụrịtara onwe ha n'anya, ma kwekọrịtakwa ịlụ, n'ihi ya nkwekọrịta ndị ezinụlọ abaghịzi uru.

Nkwekọrịta bụ ihe e ji amamihe na olu ọma agbasọ n'ụdị ga-eme ka onye ma ọ bụ ezinụlọ achọbughị ikweta na mbụ mechaa tụgharịa obi wee kweta. Igbokwe (2020:123) wee kwuo

> Nwoke na nwanyị hụrụ onwe ha n'anya ma kwekọrịtakwa na ha ga-alụ ka a tụrụ anya na ha ga-agbalitụkwu n'ọrụ ịdọta obi na mmasị ndị ezinụlọ ha niile, iji nweta nkwado ha. N'otu aka ahụkwa, ndị nne na nna, ndị chọrọ ka nwa ha lụọ di ma ọ bụ nwunye n'ezinụlọ ha chọrọ, ekwesịghị ịmanye ha amanye, kama ha ga-ewere ezi ụma, umeala na usoro dị mma wee nweta ihe ha na-achọ.

Ihe o jiri dị mkpa na a ga-enwe nkwekọrịta n'etiti nwagbọghọ na nwaokorobịa na-achọ ịlụ di na nwunye nakwa ezinụlọ ha bụ n'ihi ndị Igbo kwenyere na ọ bụghị otu onye na-alụ nwanyị. Ọ bụrụ na okwu dị aṅaa adapụta n'etiti ha n'ọdịniihu, ndị ezinụlọ ga-apụta nyere ha aka mana ọ bụrụ na nkwekọrịta adịghị, ezinụlọ ga-eleghara ha anya dịka ndị a mapụrụ n'iwu. Osuji, (2009:14) wee gbakwụnye;

> Mgbe nwagbọghọ lọtara, nne na nna ya akpọọ ya, ọ na-abụkarị oge e richara nri anyasị ka ọ kọọrọ ha otu ije ya siri dị. Ọ ga-akọrọ ha ihe ndị ọ chọpụtara. Ọ bụrụ na ihe ndị ọ kọrọ adịghị mma, ha ga-agba ya ume ka o leghara ụfọdụ iri mperi ndị ahụ anya ma gaa n'ihu n'ime nkwadebe.
>
> Otuosiladị, ọ bụghị mmanye ka a manyere ya kama ọ bụ iji olu dị ala gbaziere ya ma kwadokwa ya ka ọ lụọ di makana n'oge ahụ, nwagbọghọ ịlụ di bụ ugwu na nturu ugo nye ndị nwe ya, nakwa ezi ohere nye ụmụnne ya ndị nke ọ tọtara.

N'omenala Igbo, nkwekọrịta na-abịa n'ụzọ di iche iche. Ụfọdụ na-abụ ekwurunọnụ, ebe ụfọdụ na-abịa n'ụdị ihe ngosi, dịka ọkwa mba si achị n'olu n'olu. N'ebe ụfọdụ ọ na-aṅụgide mmanya, nna nwe ụlọ ma ọ bụ onye na-anọchite anya ya ga-agbara mmanya n'iko, ṅụtụ nwa ntakịrị kpọọ nwa ya nwanyị nke na-akwado ịlụ di, wee sị ya, n'ihu mmadụ niile gbakọrọ ebe a, ṅụrụtụ mmanya a ma gaa bunye onye gị na ya kwekọrịtara ịlụ di na nwunye. Ọ bụrụ na nwagbọghọ ahụ anara nna ya mmanya ahụ ṅụrụtụ ma bunyekwa ya nwoke nke ya na ya kwekọrịtara ịlụ n'atụghị egwu ma ọ bụ sụọ ngọngọ nke ahụ bụ ezigbo ihe ngosi na ha kwekọrịtara ịlụ di na nwunye. A ga-agazi n'ihu, ime omenala ndị ọzọ dị n'alụrụma nwanyị.

## Njemgasị na Mmeremmere ndị Dị n'Ịlụ Nwanyị n'Omenala Igbo

N'usoro omenala Igbo, njem alụmdi na nwunye abụghị ije otu ụbọchị ma ọ bụ abụọ. A na-agara ya ọtụtụ njem, n'agbanyeghị otu nwoke siri nwee ego, ọ ga-agarịịrị njem a n'usoro ya. A gaa a lọta, a gaa ọzọ tupu a gaghachịkwa wee ruo mgbe e mechara ihe niile, dịka omenala obodo ndị siri wee dị.

N'agbanyeghị otu alụmdi na nwunye siri dị mkpa n'ebe ndị Igbo dị, ọ kachakwa nke nwoke na nke nwanyị, a naghị agba ọhụhụ eme ya. A na-agara ya ọtụtụ ije na-emekwara ya omenala dị

iche iche. Nke a ga-eme ka nwoke lụrụ nwanyị hapụ ịhụta nwunye ya dịka ihe a bara n'ime ahịa zụta, kama ka o ji ya kpọro ezi mkpa n'ụdị na ọ gaghị adị mfe ịga zụrụkwa ọzọ (Ubesie, 78:44).

Obodo ọ bụla nwere ihe ndị a na-emere ha tupu a kpọrọ nwa ha. N'oge gboo, a na-eji uche echekwa ihe ndị a wee kwupụtara ha ndị ọgọ, mana n'oge dị ugbu a, a na-edekọta ihe ndị a n'akwụkwọ n'usoro n'usoro, ihe ndị a ga-emere nne nwa, nna nwa, ụmụnwanyị, ụmụnna, ụmụagbọghọ, ụmụada, ụmụnwanwa, ndị ntorobịa, dgz. Ọ bụrụ na nne nwagbọghọ ma ọ bụ nna ya adịghịzi ndụ, na mpaghara ala Igbo ụfọdụ, a na-ebu ụzọ mepụrụ ha omenala nke ha tupu ndị mmadụ eriwe nke ha.

Njem ndị a na-agarịta n'usoro omenala alụmdi na nwunye karịrị akarị. Ọ na-amalite site n'ịkụ aka n'ụzọ. Ịkụ aka n'ụzọ bụ njem mbụ nwoke ma ọ bụ ụmụnna ya na-aga n'ụlọ nwanyị ọ na-achọ ịlụ iji gwa ndị nwe nwa mbunuche ha ịlụrụ nwa ha. Njem a bara nnukwute uru n'usoro alụmdi na nwunye n'ala Igbo maka na ọ bụ njem na-enye nwanyị nkwuwa okwu n'ụlọ di ya, n'ihi na nwoke ga-eji ụkwụ ya gaa n'ihu ụmụnna nke nwanyị, werekwa ọnụ ya kwuo (rịọọ ka a lụnye ya nwanyị). Ọnọdụ a na-enye ugwu n'ihi na nwanyị a na-alụ nwere ezinụlọ o siri pụta ọ bụghi n'ọhịa, o gbasoghịkwanụ nwoke agbaso.

Njem ịkụ aka n'ụzọ a ga-enyekwara ndị nke nwoke aka ime mkpebi ma ha ga-aga n'ihu na ya bụ ije ma ha ga-akwụsị, n'ihi ihe ndị ha ga-ahụ nakwa ụdị nnabata e nyere ha. Ụdị mkparịtaụka a ga-enwe ebe ahụ ga-enyekwara ndị nwe nke nwanyị aka n'ịmata ụdị ọgụgụisi onye na-akwado ịbịa lụọ nwa ha nwanyị nwere.

N'ala Igbo, nwoke bịara ụdi ije a, a na-anabata ya nke ọma mgbe o kwuru ihe kpara ya ije, a ga-anabata mmanya o jiri bịa, maka na ihe a na-akpọ nke ahụ bụ, mmanya gazie ije a ṅụọ ya, ya agajọọkwanụ ije, a ga-aṅụkwa ya aṅụ". Ụfọdụ na-akpọ ya mmanya "ukwu furu". Ọsịsa ndị nwe nke nwanyị ga-asa ya mgbe o kwupụtachara uche ya bụ "anya a hụrụ mbụ, a maghị ya ele", ha ga-agwa ya sị "anụnụ bere ihe ahụ, beekwa ya ọzọ", nke pụtara na nwoke ahụ ga-ala bịaghachi ụbọchị ọzọ kwughachịkwa okwu ahụ o kwuru n'ụbọchị gara aga. Mmanya ọ ga-ebu abịa n'oge a ka a na-akpọ mmanya nkanezi", nke gosịrị na obi kara ya n'ije ọ bịara. Ọ bụzi n'oge a ka a ga-agụsịrị ya ihe ndị ọ ga-eweta ma e kwuru ha n'ọnụ ma e dere ha n'akwụkwọ (Ubanze, A.O *9th September, 2025; Personal Communication*).

Njem ọzọ ga-esote ịkụ aka n'ụzọ na njem nkanezi bụ nke a na-akpọ njem mmata ala (mmata ụlọ di). Na njem a nwagbọghọ a na-achọ ịlụ ga-aga n'ụlọ nwoke ahụ na-achọ ịlụ ya. Ihe a bụkwa ohere ọzọ ndị Igbo haziri iji mekwuo nchọpụta makana ihe a bụ oge nwata nwanyị ahụ ga-eji legharịa anya n'ezinụlọ ọ na-achọ ịba, ọbụladị ịhụ ụfọdụ ndị ezinụlọ ahụ. Site n'ihe ọ hụrụ n'ụbọchị ahụ, ihu e jiri nabata ya nakwa otu e siri lee ya ọbịa nwere ike ime ka alụmalụ ahụ gaa n'ihu ma ọ bụkwanụ kwụsị n'ebe ahụ.

Ajaeree (2002:85) wee kwuo.

> Ebumnuche e ji eje nlete di bụ ka nwanyị mara ma ebe ọ na-aga ọ ga-amasịkwa ya. Nne ya na ndị enyi ya ga-enyere ya aka ime mkpebi n'ihi na agwọ otu onye hụrụ bụ eke. A na-enye ha nri a kwọrọ aka sie, tinyere ihe ọṅụṅụ ha chọrọ. Mgbe ha na-ala, a na-ebunye ha azụ chara anya dịka azụ asa, azụ isi ma ọ bụ azụ ajụ. Nke a ka ụmụ nwanyị ibe ya ga-eji ebi oro mgbe ha laruru ma keriekwa. Ọ bụrụ na nwagbọghọ enwee mmasị ibi ebe ahụ, ha ga-agwa onye hụtara ya ka ha bịawa di abalị anọ.

Site n'ihe a Ajaeree kwuru, njem nleta di a ga-enyere nwagbọghọ aka iji anya ya hụ ma kpebiekwara onwe ya banyere ezinụlọ ọ ga-ebi dịka nwunye n'ogologo ụbọchị ndụ ya niile. Ọ ga-ejikwa ohere ahụ tụlee ihe ụfọdụ ndị ọ nụrụla banyere nwoke ahụ na-achọ ịlụ ya.

Mgbe ọ gachara lọta, ọ ga-akọrọ ndị nwe ya ihe ndị ọ hụrụ nakwa ka ha siri nabata ya. Ọ bụrụ na ọ nabatara ọnọdụ ha, ndị nwe ya ga-ezi ndị na-achọ ịlụ ya ozi ka ha gaa n'ihu. Ndị ọgọ ga-eburu mmanya bịa, mgbe ha ga-ala, nwagbọghọ ahụ ga-eso ha iji welaa mbele mmanya ha jiri bịa. Ọ bụ ya ka a na-akpọ ije abalị anọ. Banyere ije abali anọ, Osuji (2009:16) wee kwuo

> Nwanyị a na-achọ ịlụ alụ ga-aga n'ụlọ nwoke na-achọ ịlụ ya gaa nọrọ abalị anọ. N'oge nleta abalị anọ a, ọ bụghị ya na onye a na-achọ ịlụ ya ga-alakpu ụra, kama ọ ga-eso nwanne nwanyị nke nwoke ahụ, ma ọ bụkwanụ nne ya. N'isi ụtụtụ, a ga-atụ

> anya na ọ ga-aga n'iyi/mmiri dị nso gaa kute mmiri ma lọtakwa ọsọọsọ iji nwee ike zachasịa mbara ezi niile ka ọ dị ọcha.

Oge njem abalị anọ na-abụ oge nleru na nlebọ. Ihe a bụ oge e ji eleru nwagbọghọ anya, ma anya o rukwara ya ala, ma ọ bụ ọ makwa ka e si arụ ọrụ ndị dị n'ụlọ. Ọ bụrụ na ọ na-azachasị ihe, a ga-ele otu o jiri jide azịza, ma ọ bụkwanụ ma ukwu o rukwere ya ala.

Obi, (1970:7) wee kwuo

> Ebe ọ bụ na ndị mmadụ na-ebikọ ndụ ha ọnụ, nakwa ebe ọ bụ na ezinụlọ nwere ikwu na ibe, ije di na nwunye abụghị ihe otu onye. Ezinụlọ nke nwoke ga-akpọ nke nwanyị ka ọ bịa nọnyere ha otu izu ndị Igbo. N'oge a, ọ ga-eleba anya n'ihe banyere ezinụlọ ahụ, ndị ezinụlọ ahụ n'aka nke ha ga na-elebara nke nwanyị anya, ma na-enwekwa mmasị n'akparamagwa ya. Ọ bụ eziokwu na ụdị njem a omenala na ezinụlọ nke nwoke na-elebara ha anya, mana o gbochighị ndị a na-achọ ịbụ di na nwunye, ọ kachasị nke nwanyị, ileru nwoke ahụ anya iji chọpụta ma ọ bụ nwoke n'ezie ma ihe o jiri bụrụ nwoke ọ na-arụkwa ọrụ, nke a bụ maka, n'afọ ndị garala aga, nsogbu emenwughi ihe nwoke na-eme n'atụghị ime abụrụla ihe na-ekposa ọtụtụ di na nwunye n'ala Igbo.

Okwu a na-akwado ka nwanyị na nwoke chọrọ ịlụ onwe ha buru ụzọ leruo onwe ha anya, gbaa onwe ha ụkpọrọ ma makwaa onwe ha isi iji mata ma isi a hụrụ kwaba okpu n'okwu alụmalụ nke bụ ike inwe mmekọrịta ọ dịkwa ka e siri chee. Ọ pụtaghị na nwanyị ga-asapụrụ nwoke ụkwụ mgbe ọ n'akwụbeghị ụgwọ isi ya n'ihi na ngwugwu a ga-atọpe atọpe adịghị mma imu ya mbọ, a na-agbakwanu ọhụhụ aracha mkpịsịaka, a ga-afali ya n'elu. Ọzọkwa ndị Igbo maara ugwu na ihe nrite nwanyị na nne zụrụ ya na-enweta mgbe a chọpụtara na e nwetụbeghị nwoke ọ gbasaara ụkwụ ya tupu ya alụọ di. Ihe a na-ekwuzi ebe a bụ ka a maragodu ma nwoke na nwanyị a ha na-enwe mmetụta dịka o kwesịrị makana ọnụ hụrụ ihe ọ na-eri mechie, nwere nsogbu.

Ọ bụrụ na nke nwanyị gachaa ije abalị anọ lọta, ọ bụrụ na uche ya ka dị n'ihe a na-eme, a ga-ezikwa ndị ọgọ ka ha gaa n'ihu. Mgbe ha bịara dịka omenala obodo siri dị, mgbe ha ga-ala, nwagbọghọ ahụ ga-esoro ya laa maka njem abalị asatọ, nke ndị Igbo na-akpọ izu ukwu. Dịka Osuji, (2009:17) siri kwuo,

> Mgbe otu ọnwa ma ọ bụ ọnwa abụọ gafechara, ọ dabeere n'otu ezinụlọ abụọ ahụ siri kwekọrịta, ọ ga-aga njem nleta nke ikpeazụ a na-akpọ Di Abalị Asatọ. Usoro ya dịkwa ka nke mbụ naanị na nke ugbu a abụghịzi naanị abalị anọ dịka nke mbụ. Na ngwụcha njem nke abụọ, di ya na otu enyi ya ma ọ bụ abụọ ga-edula ya. Ha ga-ewerekwa onyinye dị iche iche ndị karịrị ndị nke e nyere na mbụ. A haziri njem abụọ ndi a ka ndị na-achọ ịlụ di na nwunye nwee ohere na-akparịta dịka omenala alụmdi siri dị.

Obodo ọ bụla nwere usoro ndị ha na-agbaso na-aga njem ndị a nakwa ibu ihe ndị e depụtasịịrị ha iji gaa njem ndị a. Ihe nchọcha a na-achọ ịkọwapụta n'ebe a bụ na njem ịlụ nwaanyị abụghi njem otu mkpụrụ ụbọchị ma ọ bụ abụọ, a naghịkwanụ agba aka aga njem ndị a n'ihi na omenala Igbo akwadoghị mmadụ ịkpọrọ nwanyị n'efu. Ihe ndị a sịrị weta, ihe ndị e wetara na ihe ndị a nabatara na-abụ nkwekọrịta na nnakwekọrịta nke ndị nwe nwagbọghọ a na-achọ ịlụ alụ na ndị bịara ịlụ alụ.

**Ịkwụ Ụgwọ Isi Nwanyị**

Ọ bụ eziokwu na ije ọgọ bụ ije nkwụ, ọ naghị agwụcha agwụcha, mana ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị bụ isi sekpụ ntị n'okwu alụmalụ, dịka ụkpụrụ omenala Igbo siri dị. Ọ bụ mgbe nwoke kwụrụ ụgwọ isi nwaanyị ka o nwere ike kwuo okwu sị, "onye a bụ nwunye m".

Ndị nwe nwoke na-achọ ịlụ nwanyị ga-agba mbọ wekọtachaa ihe ndị a gwara ha weta dịka akwa jọọjị, ji, okporoko, ude, ncha, ọtụtụ udu mmanya, isi ụtaba, mmanụ, paụda, dgz.

Mgbe a ga-akwụ ụgwọ ịsị nwanyị, a na-achọpụta ndị nwere ezi ụma na akọnuche, ndị nwere ike ịsụ asụsụ ǹkà dịka ilu na akpaalaokwu ma mekwaa ndị mmadụ ihe ọchị. Ndị dị otu a ga-enwe ike ịgba mpịrịmpị ahịa ma nwekwaa olu ọma na ire ọma e ji anata mmadụ ihe.

N'ihi na mmadụ abụghị ngwa ahịa, a naghị akpọ ọnụ ego nwanyị ka a ga-asị na ọ bụ ngwa ahịa ka a na-azụ. Ndị ụfọdụ na-ewere mkpịsị azịza olemole nke na-anọchite isi ego ole ha bu n'obi. Ọ bụrụ na ha chịnye ndị nwe nke nwanyị ha tulee ya ma ọ bụghị ihe ha tụrụ anya ya, ha ga-achịsakwa ya n'ala, wee sị ndị ọgọ ha, "jisiike" ọ fọdụkwa. Mgbe ahụ ndị bịara ịlụ nwanyị ga-achịnyekwu mkpịsị n'elu ndị nke dị adị, otu a ka ha ga-emegide ruo mgbe ndị nwe nwa nabatara mkpịsị ole ha chịpụtara, ọ bụkwa ego dị otu ahụ ka ha ga-akwụ.

N'ụfọdụ ebe a na-achịrị ego chịpụtara ndị nwe nwa ha gụọ ya, ọ bụrụ na o zughi ihe ha tụrụ anya, ha ga-enyeghachi ndị ọgọ ha, wee ruo mgbe ha wetara ole dị ha mma. Osuji, (2009:20) wee kwuo

> Ihe ụnụ chọrọ ịnara anyị karịrị ọnụ ego. Otuosiladị, nyenụ anyị ọnụ ego buru ibu dịka ukwu azịza iji kpọrọ nwa anyị nwanyị. E ji ukwu azịza na-egosi ma na-anọchite anya ọnụ ego a n'akpọghị aha.

Ọtụtụ ezinụlọ n'ala Igbo enweghị mmasị n'ọnụ ego ole e jiri lụọ nwa ha, kama ha na-achọ ịnụta ọnụ okwu ga-eju ha afọ nke ga-egosi na nwoke chọrọ ịbịa lụọ nwa ha ga-elekọta ya nke ọma. Ụfọdụ na-abụ mgbe ndị bịara ịlụ nwa ha wepụtara ego otu ike kwere ha, ha na-esere naanị otu akwụkwọ ego nke karịrị ntakịrị n'ime ha, ma nyeghachi ha nke fọrọ afọ wee sị ha, "were nụ lawa, anaghị m ere nwa m ere, ọ dịghị ọnụ ego ụnụ ga-eweta a ga-eji atụnyere nwa anyị nwanyị, kama kpọrọnụ ya gaa leziere anyị ya anya.

Mgbe a bịara nwee nkwekọrịta n'ego isi nwanyị, ndị nwe nwa na-anara ndị ọgọ ha aka, kelee ha. Ha ga-ebikwe, ndị nke nwanyị ebie oro, nke a ga-egosi ndị nọ na mbara ezi na okwu enweela isi, ọ bụzi ka mmadụ niile na-eri ma na-aṅụkwa otu masịrị ha. A ga na-akụ egwu na-agbakwa n'ihi na ihe ọṅụ emeela. Anozie, (2003:96) wee gbakwụnye;

> ... ọ bụrụ na nsogbu adịghị n'ihe ndị a niile mmadụ niile eribe nri, taba anụ, na-aṅụkwa mmanya. Ugbu a ụmụokorobịa na ụmụagbọghọbịa nọ ebe ahụ ga-amalite tibe egwu ha buru bịa... mmadụ niile a na-ayọrị egwu, na-amali elu na-amada ala na nwaanyị ahụ abụrụla nke ha.

Ka oriri, ọṅụṅụ, ịgba egwu na mkparịtaụka na-aga n'ihu, nwagbọghọ a bịara ịlụ alụ amalitelarịị na-akwazi igbe akwa ya. Nne ya, ụmụnne ya ndị nke ọ tọrọ nakwa ndị enyi ya nwanyị, ndị nke ka dikete ya nso ga-enyere ya aka na-ewekọta ihe ndị ọ ga-eji ala n'ebe ndị di ya.

Osuji, (2009:23) wee kwuo

> Ka mmemme na-aga n'ihu, nwagbọghọ ahụ ga na-agagharị site n'otu ọnụ ụlọ wee gaa na nke ọzọ, n'obi abụọ, na-akwakọta ngwongwo ndị bụ nke ya iji kwado maka ndụ ọhụrụ ọ na-aga ịmalite n'ezinụlọ ọhụụ. Ndị enyi ya na ụmụnne ya ndị nwanyị ga-agba ya gburugburu na-enyere ya aka ịkwakọta ihe ya. Mgbe ụfọdụ, ọ na-amalite ịkpọ sịsịsị akwa ma na-agụsịkwa anya mmiri. Mgbe ụfọdụ ọ na-egosipụta iwe na ahụ mgbakasị....

Mgbe chi malitere jiwe itiri kpịwa, ndị bịara ịlụ nwanyị ọ kachasị ndị nke ntorobịa ga-amalite ịgba ọhụhụ ka nke nwaanyị mee ngwangwa ka ha lawa alawa, makana chi ejiela. N'aka nke ya, nna nwe nwagbọghọ ga-agwa nwa ya nwanyị ka o mee ngwangwa ka ha nwee ike laruo mgbe abalị agamibeghị, n'ihi na Igbo tụrụ ilu sị "ma ọbịa mmadụ alarubeghị ugo ya anaghị eturu".

N'otu akụkụ, a ga-ahụ ka nne nwa na ụfọdụ ụmụnwanyị ibe ya ndị ha na ya dị ezi mma, ga na-adụ nwagbọghọ ahụ ndụmọdụ ikpeazụ tupu ya esoro ndị di ya lawa. E mechaa, ha ga-enyere ya aka bute ibu ya n'isi wee tinye isi n'ọnụzọ ama. Ọ bụrụ ebe ụmụagbọghọ ibe ya bịakọtara, ha ga na-eme ya ihe ọchị ka obi dị ya mma, mana ọ naghị adị mfe. N'oge ụfọdụ nwagbọghọ ahụ na-ala di ga na-agụ egwu, ụmụagbọghọ ibe ya na-azaso ya, n'ụdị a;

Nwagbọghọ: Alaala m alaala m o

Ụmụagbọghọ: E e e e
Ebe di m o
E e e e
Nne m nọdụ mma
E e e e
Nna m nọdụ mma
E e e e
Ụmụnne m nọdụ mma
E e e e
Ndị enyi m nọdụ mma
E e e e
Ebe m bụ nwanyị aga m ime ole
E e e e

Ha ga-agụgide egwu a wee dupu ya ebe tere aka tupu ha atụgharịa laghachite. Ọ bụzi nwanne ya nke nwanyị nke ọ tọtara na otu enyi ya nwanyị, nke ọ kacha hụ n'anya ga-eso ha laa be ndị di ya iji nọshie ya obi ike ihe dịka otu abalị ma ọ bụ abalị abụọ tupu ha alọghachite.

**Nkamma Dị n'Ụkpụrụ Alụmalụ Omenala Igbo ka e wee Bizie**

Ndị mere nchọcha a achọghị ịkpọtụ alụkwaghịm aha maka na ọ bụ nkwenye nchọcha a na ọ bụrụ na a gbasoo ụkpụrụ a ndị Igbo haziri n'omenala ha maka alụmdi na nwunye, o nweghị ihe ga-eme ka nghọtahie ruo nke ịgba alụkwaghịm.

Edemede a haziri usoro ndị ahụ mere ụkpụrụ omenala Igbo jiri bụrụ nkamma n'okpuru isiokwu ndị a.

- Ntozuoke: Ọ bụ ntozuoke n'agbamafọ, akọnuche, akparamagwa na akpamakpa akụ ga-eme ka nwoke na nwanyị lụrụ di na nwunye mara ọrụ dịịrị ha n'otu n'otu nakwa omume ndị tosịịrị ha maka ọdịmma nke ezinụlọ ha.
- Ipio Ọhịa Ajụjụ: Edemede a emeela ka o doo anya na ịjụ ase ga-adịgide malite mgbe nwoke chọtara nwanyị ruo mgbe a kwụrụ ụgwọ isi nwanyị. Ọ bụrụ na a gbado anya n'ala jụọ ase ma, mekwaa nchọpụta ndi e kwesịrị ka e mee n'ebe nke nwoke na nke nwanyị nọ, a ga-achọpụta ihe ndị ahụ pụrụ iko achịcha n'ọdịnihu. Ya mere ndị Igbo ji ekwu si "ọhụrụ nu hụchaa, o kwe nu kwere chaa". Omume na ọnọdụ ndị na-ebutekarị nsogbu n'alụmdi na nwunye ka ùhú n'ihe ndị a n'ajụtaghị, ihe ndị a n'ahụtaghị nakwa ihe ndị a n'achọpụtaghị na mbụ, tupu a lụọ.
- Nkwekọrịta: Igbo kwenyere na ụka a kpara akpa isi ka e ji ekwe ya. Ihe mmadụ jiri ọnụ ya kweta, were obi ya nabata na-aka edo ya ahụ. Ọ bụrụgodu na e nwee ihe dapụtaranụ n'ọdịnihu, ọ ga-edi ya ma nakwerekwa ya maka na ọ bụ ihe o jiri obi ya kweta. Otu a ka ọ dị n'ebe nwoke na nwanyị nakwa ezinụlọ abụọ ndị ga-abụ ọgọ. Ọnọdụ na ụkpụrụ ndị Igbo hiwere n'omenala ha na-eme ka alụmalụ di na nwunye dịgide adịgide.
- Ọnọdụ onye aka ebe: Ọnọdụ nwandụzọ dị nnukwute mkpa n'usoro omenala Igbo, maka alụmdi na nwunye ga-adịgide adịgide. Igbo na-atụ ilu sị "a kọruo, e geruo". Ọ bụ site n'aka onye aka ebe ka e si amata nke bụ eziokwu mgbe ọ bụla e nwere ihe mgbagwoju anya n'etiti nwoke na nwanyị ndị lụrụ di na nwunye. E nwekwaanụ ka okwu siri dapụta, ọ na-ebu ya n'isi iji mezie ya bụ okwu n'ihi na ọ bụ ya ka a ga na-akpọ ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. N'ihi ya ọ gaghị achọ ihe ga-etinye ya n'ọnọdụ ihere.
- Imezu akụ ndị a na-eme n'isi nwanyị: Site n'ụkpụrụ ndị gboo kpụrụ n'okwu alụmalụ di na nwunye, a naghị akpọrọ nwanyị n'efu n'emeghị omenala na akụ ndị e kwesịrị ka e mee. O nweghi ezinụlọ obi ga-adị mma na mmadụ bịara kpọnarị ha nwa ha nwanyị ha tara ahụhụ zụọ n'efu. N'aka nke ọzọ, nwoke n'emeghị akụ n'isi nwanyị anaghị eji ya akpọrọ ihe, nwanyị ahụ anaghịkwa enye nwoke ahụ nsọpụrụ. Ihe ọ ga na-ajụ ya mgbe ọ bụla esemokwu pụtara bụ, "gịnị ka i mefuru n'isi m, ego ole ka ị kwụrụ ndị nwe m n'isi m?". Mana mgbe

nwoke mere ihe ndị o kwesịrị ime, dịka omenala ndị a bịara ịlụ nwa ha siri dị, obi ga-adị ha mma, dịkwa nwanyị ha bịara ịlụ. Ngọzị ahụ nna na nne nwa na-enye nwa ha nwanyị na-eso eweta udo na ọganihu n'ezinụlọ ahụ e hiwere ọhụrụ, ya mere, o kwesịrị ka ha ji ezi obi ọcha ha nye ya bụ ngọzị, obiọcha ha ga-adabere n'otu ndị ọgọ ha siri megbaa ha ihu n'ime ihe ndị o tosịrị ka ha mee.

Edemede a enweghị mbunuche ikwu banyere otu ego ma ọ bụ akụ e ji alụ nwanyị tosịrị ịha. Nke ahu ga-abu maka ndị ga-eme nchocha n'odinihu, kama ebe o lekwasịrị anya bụ n'ịhụ na e mere omenala ndị e kwesịrị ime, iji lụọ nwanyị n'usoro ha, dịka omenala Igbo siri hazie ha, nakwa otu mba dị iche iche si eme nke ha makana nkụ dị na mba na-eyere mba nri.

**Mmechi**

Alụmdi na nwunye bụ otu n'ime ewumewu dị oke mkpa n'omenala Igbo, n'ihi na Igbo kwenyere na a mụta nwa, nwa amụta ibe ya. N'ihi na ọ dị nnukwu mkpa ka ha jiri hazie ụkpụrụ dị mma nke ga-abụ ndị gbasoro ya alụmalụ ha esie ike ma dịkwa ụtọ. Ka ọ dị taa, alụmdi na nwunye dịzị ka akwụ nnụnụ, nke bụ ụfọdụ na-efeba efeba, ụfọdụ a na-efepụta efepụta. Nchọcha a wee chọpụta na mbizi di na nwunye n'alụmalụ ha dabeere na otu ha siri lụọ. Ha lụzie ha ebizie, ha alụzighịkwanụ ha agaghị ebizi. N'ihi ya, ụkpụrụ na usoro alụmdi na nwunye dịka omenala Igbo siri hiwe ya bụ e jewe a ghaghị maka ndị chọrọ alụmalụ ga-adịgide adịgide.

**Ntụziaka maka Ọdịnihu**

- Alụmdi na nwunye abụghi agwọ e ji akpụka mma egbu, nke o ji abụ egwu a na-achị ụtaba n'aka agba. Ya mere ụmụ ewu na-akwado ipu mpi ekwe kwesịrị isi ha ike.
- Mgbe a na-epio ọhịa ajụjụ maka alụmdi na nwunye, anya kwesịrị ịbụ onye ọ bụla ọkịrị, iji matachaa ihe ndị e kwesịrị ịmata. Ọ pụrụ n'ụzọ gburu mkpara adịghị mma.
- A kpaa akpaa a rahụ n'ute. N'ihi ya alụmdi na nwunye abụghị ihe a na-amanye mmadụ amanye; nkwekọrịta ga-adịrịịrị tupu ọ gaa nke ọma.
- N'ala Igbo, a naghị akpọrọ nwanyị n'efu. Ya mere onye chọrọ ịlụ nwaanyị ga-akawa ahụ mechaa omenala n'usoro e si hazie ha, ma hụkwa na ọ kwụrụ ụgwọ isi nwanyị tupu ọ kpọrọ ya laa.

"Ihe ndị okenye sịrị na ọ dị iri, mara na ọ mara ụma". Ndị ọkpụ na ndị egede n'ala Igbo maara mkpa alụmdi na nwunye dị wee jiri amamiihe ha wepụta usoro ndị a ma mekwaa ka ha bụrụ omenala maka ọdịmma nke ezinụlọ na udo na ọganihu nke obodo niile n'ịhụ na onye lụzie ya ebizie.

**EDEMSIBIA**


Ajaeree, C.A. (2002). *Mmere Mmere Igbo: Akwụkwọ Maka Omenala Igbo*. Owerri: Okson Publishers.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu: Akụkọ na Omenala ndi Igbo*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Ewelukwa, U. & Okafor, C.U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo.* Onitsha: A.C. Global Publishers.

*Holy Bible*, King James Version, Genesis (2:18-24)

Igbokwe, B.N. (2020) Igbo Marriage Procedure: A Panacea to Frequent Divorce and Broken Homes in Nwuwa A. & Ogechi. A. (Eds).*Culture, Precepts and Social Change in Southern Nigeria; Understanding the Igbo*. New York: Lexinton Books.

Osuagwu, B.I.N. (1980). *Ndị Igbo na Omenala ha*. Owerri: Macmillan Publishers.

Bergar, P.L. & Luckmann, F.C. Social Constructivism Theory https://e.nwikipedia.org ( retrieved 15/9/2025)

Osuji, C. (2009). *Foundation of Igbo Tradition and Culture.* Owerri: Opinion Research and Communications Inc.

Obi, C. (1970). "Marriage Among the Igbo of Nigeria". Ph.D Dissertation, Pontifical Urban University, Rome.

Ubesie, (1978). *Ọdịnala Ndị Igbo.* Ibadan: Oxford University press